# NGAKỌ AKỤKỤ AHỤ NA NGWAA N'IGBO

**Grace Ngozi Amajoyi**

Imo State College of Education,

Ihitte Uboma

08035389453

## Ụmịedemede

Akụkụ ahụ mmadụ bụ ihe ndị ahụ a na-ahụta n'elu nakwa n'ime ahụ mmadụ dị ka ọdịdịchi ya siri dị. N'aka nke ọzọ, ngwaa bụ nkejiasụsụ na-egosi ihe e mere n'ahịrịokwu. O so na nkejiasụsụ kacha dị mkpa n'ihi na ọ bụrụ na e nweghị ya, agaghị enwe ahịrịokwu zuru oke. N'ụtọasụsụ Igbo, ngwaa anaghị ahọ akụkụ ahụ aghara aghara; etu a ka ọ dịkwa akụkụ ahụ n'ịhọrọ ngwaa ha na ya ga-agakọrịta. A ga-ezipụta ihe akụkụ ahụ na-eme nakwa ihe a na-eme akụkụ ahụ. Ihe kpalitere mmụọ nwanchọcha ịbagide ọrụ a bụ na o nwebeghị onye mere nchọcha n'isiokwu a bụ ngakọ akụkụ ahụ na ngwaa n'Igbo.A gbasoro iwu nhọrọokwu ma ọ bụ ngakọrịta okwu n'ọrụ a. E jikwara usoro nkọwa wee tụchaa nchọcha a. Ka a tụchasịrị ọrụ a, a chọpụtara usoro ngakọrịta akụkụ ahụ na ngwaa; akụkụ ahụ ọ bụla nwere ngwaa ọ na-ahọrọ ma ọ bụ ha na ya na-agakọ. A chọpụtara na ụfọdụ n'ime akụkụ ahụ ndị a na-enye aka na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ịkuzi ihe, izi ozi nakwa mkparịta ụbụbọ. Ndị ga-erita elele na nchọcha bụ ụmụ akwụkwọ, ndị nkụzi, ndị mgbasa ozi, dg.

## Okwu mmalite

N'ụtọasụsụ Igbo, ngwaa anaghị ahọ akụkụ aghara aghara. Ya bụ na e nwere ngwaa akụkụ ahụ ọ bụla na-ahọrọ n'ịkọwa ọdịmara ha. Ngwaa ndị a na-akọwa ọnọdụ ahụ mmadụ ma ọ bụ ihe akụkụ ahụ na-eme.

Kenechukwu (2012:349) dere na asụsụ ahụ bụ otu n'ime ụzọ e si egosipụta nzikọrịta ozi ekwughekwu. Akara ahụ na mmekọrịta ndị ọzọ a na-ahụ anyanwere ike ibute ozi nwere echiche zuru oke. Asụsụ ahụ gụnyere akara ahụ na ọnọdụ dị iche iche. Ihe niile ndị a karịrị ihe ndị mmadụ na-eche ma ọ bụ na-ekwu banyere akụkụ ahụ dị iche iche. Oge ụfọdụ, ndị mmadụ na-eche na ihe gbasara akụkụ ahụ bụ sọọsọ ihe na-eme site n'olu were gbadawa ala. Mana ihe ndị mmadụ na-eche abụghị eziokwu, nke bụ eziokwu bụ na ọtụtụ ihe gbasara akụkụ ahụ sitere n'olu mmadụ were gbagowe elu.

Ụfọdụ akara ndị e ji ahụ egosipụta dị mmaji kwụrụ mmaji ma nwee echiche miri emi nke zuru mba ụwa niile ọnụ. Ọtụtụ akara ndị a bụ nsinachi. N'eziokwu, ịchị ọchị bụ ịchị ọchị n'ụwa niile mana ụzọ e si egosipụta iwe bụ nke dịtụ iche, a na-eme nke a site n'ibutu egbugbere ọnụ ala. Ịpachigodo aka ọnụ na-egosipụta ntachi obi mana mgbasapụ ọbọ aka bụ nke eziokwu ma ọ bụ nke okwu kwụrụ ọtọ, nzikọrịta ozi ha bụ otu ihe n'ala Naijirịa niile. Otu a ka ọ dịkwa na mba Amerịka na Finland (Ukozor, 2012:146).

Dị ka Emenanjọ (2006:105) siri dee,e wezụga okwu mmadụ na-ekwu, ahụ mmadụ na mpaghara akụkụ ahụ bụ nnụ kwụrụ nnụ nsinebe ozi ndị e depụtaghị edepụta. Na nkọwapụta, nke a na-egosi na ọnọdụ ndị a nwere ike iru narị puku asaa ndị nwere echiche onwe ha, ndị dabeere n'omenala. Emenanjọ kewapụtara ụdị asụsụ ahụ ise, ha bụ:

**Akara mmado**

Ndị a bụ ụzọ dị iche iche e si eji akụkụ ahụ atụgharị ụfọdụ okwu ma ọ bụ nkeji okwu dị iche iche. Ha bụ ndị a: akara mkpịsị 'V' nke gosipụtara mmeri ma ọ bụ akara mmeri, akara mkpịsị nke ọ dị mma na nke iruli isi mkpụrụ aka elu, nke pụtara ọkacha mma. Akara mmado nwere ike ịbụ nke nnọrọonwe ma ọ bụ mmeghari ahụ, ọmụma atụ, mmadụ iji isi mkpụrụ aka ya na-ese okirikiri n'otu mpaghara akụkụ isi ya. Nke a gosipụtara na isi adịghị onye ahụ mma (ara na-agba onye ahụ). Iji aka gị na-akwapụ ihe n'ihu gị, pụtara gawa n'ihu. A kpachapụrụ anya ma dịkwa nkwadobe iji asụsụ ahụ ndị a na-enye echiche zuru oke nke okwu na nkejiokwu na-egosipụta.

**Akara nzigozi**

Akara nzigozi ndị a ka a na-eji akụkụ ahụ dị iche iche egosi, n'ezie ọ na-akwalite ozi nkwurunọnụ. Akara ndị a na-abịakọta ọnụ ma na-esochikwa okwu. Akụkụ ahụ mmadụ niile nwere ike ịbụ akara nzigozi dị ka aka, isi na ndị ọzọ. Mmadụ nwere ike iji mkpịsị aka ya were gosipụta ihe pere mpe, nwekwaa ike were aka abụọ gosi ihe dị okirikiri. Mmadụ nwere ike iji aka nri ma ọ bụ aka ekpe were gosipụta ebe ihe dị ma ọ bụ ihe dị aṅaa.

Akara mmado dị iche n'akara nzigozi, akara ngosipụta anaghị enwe echiche nke aka ya ma bụrụkwa ihe a na-eji echiche ntụmadị egosipụta. Imirikiti akara ndị a, a rụtụrụla aka bụ ndị dị ka chi siri kee ha, ma na-aga were were n'ọnụ oge a na-ekwu okwu.

**Akara mmetụta**

Akara mmetụta gụnyere mmegharị nke ihu, aka na akụkụ ahụ mmadụ ndị e ji ezikọrịta ozi ma na-egosipụta otu obi dị mmadụ ma ọ bụ mmetụta mmadụ nwere nke nwere ike izipụtara afọ ojuju, obi ọma. A na-eme nke a site n'ịchị ọchị, igosi iwe, ntumuche, ume iru ala, ụjọ, ihe mgbagwoju anya na ịchị obi n'aka n'otu akụkụ ebe obi ọma na afọ ojuju dị n'akụkụ nke ọzọ. Ọtụtụ ndị mmadụ na-egosipụta omenala ha site n'isi ụzọ dị iche iche ezipụta mmetụta ha. O nwere ike bụrụ na iwe na-ewe mmadụ abụọ, mana ha ga-esi n'ụzọ dị iche iche were gosipụta iwe ha. Otu n'ime ha nwere ike fụọ ihu ya akpụ ebe onye nke ọzọ nwere ike iji ịgba nkịtị were gosipụta iwe ya ma ọ bụ enweghị afọ ojuju. Ya mere, egosipụtaghị ọtụtụ akara apụtaghị na mmadụ enweghị mmetụta.

**Akara njikwa**

Nke a bụ otu n'ime akara nzikọrịta ozi asụsụ nke a na-eji achịkwa, ahazi, elekwa ma ọ bụ emezi okwu ka ọ na-aga were were oge a na-akpa ụbụbọ. Akara ndị a na-abịakarị n'ụdị iji aka ma ọ bụ isi na ihu egosipụta ha. Oge ọ bụla a na-ekwu okwu ọsịịsọ ma ọ bụ nwayọọ, e nwere ike ịsị onye ahụ mechie ọnụ site n'iji aka, mkpịsị aka, isi nakwa iji mmeghari ahụ ma ọ bụ asụsụ ahụ were gosipụta nke a. Oge a na-akparịta ụbụbọ, a na-eji akara njikwa egosipụta onye ga-ekwu mgbe ọ ga-ekwu. Ndị mmadụ na-eji anya e lere ele, a rọrọ arọ na ikwe n'isi ma ọ bụ imeghari isi were na-achịkọta mkparịta ụbụbọ ha (Ekman and Friesen, 1969:49).

**Akara nnọzi ma ọ bụnnọkwata**

Akara nnọzi bụ otu n'ime nzikọrịta ozi asụsụ ahụ nke mmadụ na-enweta oge ọ dị na nwata, nke o ji egosipụta mmetụta ma ọ bụ mkpa ndị a hụrụ anya o nwere. Oge ụfọdụ, ndị mmadụ na-akọ ọkọ n'ahụ ha iji gboo mkpa anụ ahụ ma ọ bụ nweta onwe ha. Ụmụ nwaanyị ndị nwere ntutu wụdara awụda ma tokwa ogologo nwere ike ịchịgharị ntutu ha nke na-achọ ịdabanye ha n'anya. Ha nwekwara ike ifeghari isi ha ka ha wepụ ntutu ndị a.

N'ụlọ akwụkwọ, e nwere ike ịchọpụta ụmụ akwụkwọ ndị ike gwụrụ na ndị obi erughị ala oge ha bidoro tawa ma ọ bụ tụbisiwe mbọ aka ha, tawa mkpịsị odee ha ma ọ bụ na-akụ mkpịsị odee ha n'elu oche.

**Nkọwa ọkpụrụkpụokwu**
Ọkpụrụkpụ okwu ndị a ga-akọwa bụ:

**Ngwaa**

Emenanjọ (1991:78) kọwara ngwaa dị ka nkejiasụsụ kachasịrị ndị ọzọ mkpa n'Igbo n'ihi na ọ bụrụ na e nweghị ya, e nweghị ike inwe ahịrịokwu zuru oke. E si na ngwaa enweta okwu ọhụrụ. Ọ bụ ya na-ezipụta omume ma ọ bụ ọdịdị ihe a na-ekwu maka ya n'ahịrịokwu. Okwu ọhụrụ ndị e si na ngwaa nweta ka a na-akpọ nsinangwaa. Otu njirimara ngwaa dị oke mkpa bụ na ọ bụ naanị ngwaa ka mgbakwụnye na-eso.

Ezeụmụdo (1985:71) mere ka a mata na ngwaa bụ okwu na-enye nghọta n'ahịrịokwu. Ahịrịokwu ngwaa adịghị na ya enweghị ike ịkwụụrụ onwe ya. Ọ ga-enwerịrị ahịrịokwu zuru ezu ọ dabenyere na ya wee kwụrụ ma ọ bụ nwee ahịrịokwu e bu n'uche mgbe e kwuru okwu dị etu a.

Mgbemena (2009:38) n'otu aka ahụ kọwara ngwaa dị ka mkpụrụokwu ahụ dị n'ahịrịokwu, nke na-ezipụta ihe gbasara isiahịrị mmem ya (ya bụ ihe o mere, ihe ọ na-eme na ihe ọ ga-eme), ọnọdụ ya, ọdịdị ya dg. Umeh, Ugoji na Dike (1989:74) na ntinye nke ha mere ka a mata na ngwaa bụ nkejiasụsụ na-ezipụta aspeekịtị ndịnịhu, ndịnazụ na ndịmechaa, na tensị ahịrịokwu. Ọ bụ ngwaa na-akọwapụta kpọmkwem, ihe onye na-ekwu okwu bu n'uche. Ọ bụ ya na-abụ isi nkebiahịrị kengwaa na-ezipụtakwa usoro nnara n'ahịrịokwu.

**Akụkụ ahụ**

Mmadụ nwere akụkụ ahụ dị iche iche Chukwu jiri chọọ ya mma. Akụkụ ndị a gụnyere: isi, imi, anya, ihu, ntị, eze ọnụ, ire, aka, afọ, ụkwụ, ukwu, azụ, dg. Mmadụ na-eji akụkụ ahụ niile ndị a emepụta ihe dị iche iche ma ọ bụ egbo mkpa metụtara ya n'otu n'otu. Site n'akụkụ ahụ mmadụ na mmejupụtara ya, ha na-ezipụta ọrụ na uru ụtọasụsụ bara n'asụsụ niile nakwa ụzọ dị iche iche e ji esite n'akụkụ ahụ ezipụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Akụkụ ahụ bụ isi sekpụ ntị tinyekwara emereme na ahụmihe dị iche iche na ndụ mmadụ.

Dimebo na Nna (2019) kọwara na akụkụ ahụ mmadụ bụ ihe ndị ahụ a na-ahụta n'elu nakwa n'ime ahụ mmadụ dị ka ọdịdịchi ya siri dị. A ga-achọpụta ụzọ ndị ọzọ ha si arụ ọrụ n'asụsụ iji gosipụta echiche ma ọ bụ nghọta okwu. Site na nkọwa a, ọ pụtara ihe na akụkụ ahụ mmadụ dị n'ahụ mmadụ. Mgbe ọ bụla a na-agbado ụkwụ na ya were ewube ma ọ bụ agbatị okwu, o gosiri na ọ na-apụta ihe na mmebe okwu asụsụ ahụ dị ka a chọpụtara n'asụsụ Igbo. Akụkụ ahụ dị ụzọ abụọ pụtara ihe. Akụkụ ndị a na-ahụ anya ma ọ bụ ndị dị n'elu ahụ na akụkụ ndị dị n'ime ahụ. Akụkụ ndị dị n'ime ahụ bụ ndị anaghị ahụ anya. Anụ ma ọ bụ uru ahụ mechiri ha emechi. Ha na-arụ ọrụ dị iche iche n'ahụ. Akụkụ ndị dị n'ime ahụ dị ọtụtụ,ịma atụ: imeju, eriri afọ, akpakwuru (afọ), ehe, mkpụrụ obi, nkọlọ, ọbara, dg.

Akụkụ ahụ ndị dị n'elu ahụ bụ: isi, anya, imi, ntị, olu, azụ, ara, aka, ukwu, ụkwụ, ihu, ọnụ, agba, otubo, ekwo, dg.

**Iwu nhọrọokwu ma ọ bụngakọrịta okwu**

Matthews (2007:359) kọwara nhọrọokwu dị ka mgbochi mkpụrụokwu na-enwe n'ịhọrọ ụdị mkpụrụokwu ibe ya ha na ya ga-agakọrịta na mwube okwu. Ịma atụ: *iku ume*

ga-ahọrọ ihe dị ndụ (nwata nwaanyị ahụ ka na-eku ume, Azụ na-esite n'okpo ya eku ume). Ihe na-eku ume ga-abụrịrị ihe dị ndụ, ọ bụghị ihe adịghị ndụ. Oge ụfọdụ, mgbochi a na-arụgara ihe a na-ekwu maka ya aka kpọmkwem, ya bụ, okwu ndị na-agakọrịta ọnụ. Ịma atụ *ịdị ime* na-ahọrọ okwu niile gbasara nne, nwunye dg. aka. Chomsky (1950) mara amụma a oge o zipụtara iwu nhọrọokwu nke bụ otu n'ime ọrụ ya ọ kpọrọ ụtọasụsụ mgbanwe.

Chomsky n'ime akwụkwọ Bussmann (1996:419) hụtara nhọrọokwu dị ka ihe dabara n'etiti mgbochi usorookwu na amụmechiche site n'ụzọ okwu ụfọdụ ga-esi gakọrịta. Usoro a ga-eme ka a ghara inweta ahịrịokwu adabaghị n'ụtọasụsụ. Ịma atụ: Okwute ahụ na-eche echiche. Ọ bụrụ na a họjọọ okwu ndị ekwesịghị ịgakọrịta, ọ na-ebute ihe mgbagwoju anya n'asụsụ. Tomori (1977:78) kwuru na ọ dị nnukwu mkpa igosipụta iwu nhọrọokwu ga na-akọwa agwara usorookwu, nke ngakọrịta mkpụrụokwu ndị ahụ. Ịma atụ:

KA + KN + KA

E nwere ike isite n'usoro a zipụta ahịrịokwu:

i. Ọchịchịrị ga-eyi nwata nwaanyị ahụ egwu.
ii. Jọn hụrụ Meri n'anya.

N'ọmụma atụ nke abụọ, e nwetụrụ ndịiche n'ụdị agwara usorookwu ya karịa ọmụma atụ nke mbụ. E nwekwara ike ibugharị nkebiokwu keaha nke ọmụma atụ 'ii' ka ọ bụrụzie ahịrịokwu ọhụrụ:

Meri hụrụ Jọn n'anya.

A nabatara ụdị usorookwu ahịrịokwu a n'asụsụ Bekee. Ọ bụrụ na e bugharịa nkebiokwu keaha n'ọmụma atụ 'i', ọ gaghị enwe echiche zuru oke; n'agbanyeghị na usorookwu ya dabara n'ụtọasụsụ Bekee. Ọ bụ iwu nhọrọokwu a na-akọwa agwara asụsụ dị iche iche, nke na-enye aka ime ka ụfọdụ okwu na-agakọrịta ma ọ bụ agakọrịtaghị. N'ịga n'ihu, ọ dị mkpa izipụta ndịiche dị n'etiti agwara usorookwu ọmụma atụ abụọ ndị a. Na nke mbụ: Ọchịchịrị ga-eyi nwata nwaanyị ahụ egwu.

N'ezie, 'ọchịchịrị' bụ ahauche ebe 'nwata nwaanyị' bụ ahaaka (mmadụ dị ndụ). Ọzọkwa, agwara usorookwu nke ngwaa – 'yie egwu' n'ebe a, nwere ike ịnabata ahauche dị ka isiahịrị mana ọ gaghị ewere ahauche dị ka mmeju. Ọ bụ ya kpatara na oge ọ bụla e bugharịrị nkebiokwu keaha, ọ na-eme ka ahịrịokwu ahụ ghara ịdaba n'anya ya, n'agbanyeghị na ọ dabara n'usoro ndokọ okwu asụsụ ahụ.

Na ntụcha ọmụma atụ nke abụọ: 'Jọn hụrụ Meri n'anya'. Otu n'ime agwara usoro okwu nke ngwaa bụ 'ịhụnanya', gosiri na o nwere ike ịnabata mkpọaha dị ndụ na nke adịghị ndụ dị ka mmeju ya. N'ebe a, 'Jọn na Meri' bụcha mkpọaha dị ndụ. A gaghị enwecha ndịiche pụtara ihe ma ọ bụrụ na e bugharịa nkebiokwu keaha ndị a. Sọọsọ ndịiche a ga-ahụta bụ na ọ bụ Meri bụ onye hụrụ Jọn n'anya. Ngwaa a bụ "ịhụnanya" na-anabata mmeju ahauche.

Ahụrụ m ọrụ m n'anya.

Mana usoro a anaghị adabacha n'ụfọdụ isiahịrị ahauche. Ọzọkwa, ọ bụrụ na e bugharịa ya, nghọta ya agaghị adaba. Ịma atụ:

'Ahụrụ m ọrụ m n'anya', a ga-enwe ihe ndajọ n'ahịrịokwu a ma e bugharịa ya. E nwere ike itinye ụdị ahauche a n'ọrụ dị ka isiahịrị tupu enweta agwa a bụ 'ịhụnanya', n'ihi na ọ bụ ya na-anọchite otu mkpọaha dị ndụ. Ịma atụ:

Ụlọ akwụkwọ m hụrụ m n'anya.

Obodo m hụrụ m n'anya.

N'ebe a, 'ụlọ akwụkwọ' na 'obodo' na-ezipụta echiche nsina otu mkpọaha dị ndụ. Ọ bụ ụdị agwara nnọgba ndị a ka a rụtụrụ aka kpọmkwem n'iwu nhọrọokwu.

Nwachukwu (1983:168) rụtụrụ aka na a chọpụtala na usoro nhọrọokwu siri ike na nkebiokwu kengwaa n'Igbo. Mgbochi a na-enwekarị amụmechiche n'ihi na okwu ọ bụla ya na ngwaa na-agakọ na-abụkarị nke echiche nsinachi ngwaa ahụ na-ekpebi. Mgbochi usoro nhọrọokwu a machigodoro ngakọ okwu Mkpọaha – Ngwaa, nke bụkwa ihe na-achịkwa ọyọ amụmechiche mmeju mkpọaha. Ịma atụ: E nwere ihe ruru echiche iri na asaa na-ezipụta ngwaa bụ "ịzụ' n'Igbo. Nke ọ bụla nwere naanị ọnụọgụ ihe ole na ole ya na ya na-akwụgba. Otu osila dị, ngwaa ọ bụla ga-enwerịrị agwara zuru oke, nke ga-ekpebi kpọmkwem okwu ndị o nwere ike ịhọrọ.

Nwachukwu gakwara n'ihu kọwapụta usoro nhọrọokwu n'Igbo. Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị, ọ bụkwa ihe doro anya etu ngakọ mkpọaha na ngwaa siri dị iche n'olundị niile dị iche iche, n'agbanyeghị na e nwetụrụ obere ndịiche. Ihe ọmụma atụ a ga-egosipụta ebe a, ga-esite n'olundị Mbaise dị na steeti Imo. O weere olundị Mbaise n'ihi na ọ dabara n'usoro nke Igbo izugbe. Nwachukwu zipụtara usoro e si eji iwu nhọrọokwu a atụcha ngwa nchọcha n'Igbo. N'Igbo 'zụ' bụ isingwaa pụtara 'ịzụ'. E nwekwara ngwaa ndị ọzọ dabachara n'otu 'ịzụ' a, mana nke ọ bụla n'ime ngwaa ndị a nwere naanị mkpụrụ okwu ndị ha na ya na-agakọ ọnụ. Òtù ngwaa ndị a a chịkọrọ ọnụ pụtara 'ịzụ' bụkwa ndị ha na ngwaa ndị ọzọ na mgbakwụnye ha bịakọtara ọnụ. Ha na-ekpebi ụdị iwu nhọrọokwu a na-enweta n'asụsụ. E nwere ọtụtụ ụzọ e si enweta mmụbawanye ọdịdị mkpụrụasụsụ na ngwaa, nke a pụtara ìhè site n'etu e si agbakwụnye nsonaazụ na ndị nwere naanị otu ụdị ngwaa a bụ 'zụ'; o zuru òtù ngwaa niile ndị a a chịkọtara ọnụ ka ha bụrụ 'ịzụ'.

Itinye ngwaa a n'ọrụ ga-agbado ụkwụ n'Igbo izugbe, ebe a ga-eso rụtụkwa aka n'olundị Ọnịcha. Igbo izugbe na olundị Ọnịcha na-agbasocha otu ụdị ụdaolu, nke na-emetụta echiche okwu. E kwesịrị izipụta nsoro ụdaolu n'ụzọ ọ gaghị eweta ihe mgbagwoju anya, n'ihi na ọnọdụ ya na-agbanwe agbanwe. Ọmụma atụ: Mkpoolu:

(a) Zụ̀rụ́nụ 'Please buy' dị ka na:

(b) Bíkó, zụ̀rụ́nụ ǹké à 'Please, buy this one'.

N'ebe a, zụ̀rụ́nụ zipụtara ụbara echiche dị ka

ch) Ńdị ọma bịá zụ̀rụ́nụ ánu 'Good people, come and buy meat'

E keriri nsonaazụ a n'otu n'otu

a. Ntimiwu (dị ka ọ dị n'ọmụma atụ a dị n'elu)

b. Tensi ndịnaazụ (ọ dị mkpa n'ihi mgbanwe nke tensi òtù a)

ch. Ngwaa ùkwù (nha) (ebe a ka a gbakwụnyere ngwaa ndị ọzọ na 'zụ' maka mgbatị echiche okwu)

8a) Zụ́ gị̀nị́? 'Buy what?'

Iji mejuo ajụjụ a dị n'elu

b) Ị̀ sí nà Ógù na-azụ́ gịnị́? What do you say Ogu is buying?

N'ebe a, ụdaume nganiihu a gbakwụnyere zụ́ bụ maka na o nwere nnyemaka ngwaa nà. ọmụma atụ ndị ọzọ gụnyere:

9a) Ọ́ nà-azụ́ azụ̀ 'He is buying fish'

b) Ị́ gà-azụ́ ǹké másịrị gị 'You will buy the one you like'.

Naanị otu nganiihu e nwere bụkwa nke gbasara ọmụmụ ihe a bụ mfinitiivu (i, ị) ọmụma atụ:

10a) Íke ịzụ́ anu ágwụla m 'I am tired of buying meat'

b) Ánọ̀ m n'ị́zụ́ otù ọ́nù ahịá kem̀gbe 'I am still buying one item since long'

Ngwaa Igbo ndị na-arụgara echiche okwu a bụ 'ịzụ' aka nwere ụzọ dị iche iche okwu ndị a si agakọ. Iji maa atụ: - zụ́ nwere ike ịchịkwa ihe niile banyere ịzụ ahịa.

**Ihe akụkụ ahụ na-eme**

Akụkụ ahụ na-eme ọtụtụ ihe na ndụ mmadụ. Akụkụ ahụ ndị a niile bụ: ndị dị n'ime ahụ, ndị na-emegharị emegharị ma ndị anaghị emegharị emegharị na ndị dị n'elu ahụ a na-ahụ anya. Akụkụ ahụ ndị a na ngwaa na-agakọ iji zipụta ihe ha na-eme. Ha gụnyere:

**Tebulu 1:**

| **Akụkụ ahụ** | **Nkọwa ihe akụkụ na-eme** |
|---|---|
| Ahụ ịnwụ: | Ajọ ọnọdụ ọrịa ahụ |
| Ahụ ibu: | Inwe uru ahụ ma ọ bụ mmadụ ịfụ afụ |
| Ahụ ịjọ njọ: | Enweghị ezigbo uru ahụ, dị ka ahụ mmadụ ịkpọ nkụ |
| Ahụ ịma mma: | Ahụ mmadụ ịkwọ mụrụ mụrụ (mmadụ ilezi onwe ya anya) |
| Aka ihe: | Ihe ịdalaha mmadụ n'aka n'amaghị ama |
| Aka igbu | Inwe nsogbu n'aka dị ka aka ịmị amị (ụfụ), ịgbaji aka dg. |
| Aka ịza: | Nke a bụ mgbe otu ọrịa ma ọ bụ nke ọzọ nyewere aka nsogbu |
| ụkwụ ịrụ: | ụkwụ nwere ike rụọ ma ọ bụ jie oge mmadụ dara ada ma ọ bụ nwee ihe mberede |
| ụkwụ ịza: | ụkwụ mmadụ nwere ike zajuo azaju n'ihi ọrịa dị ańaa |
| ụkwụ nko/ịgbara: | Inwe ụkwụ rọrọ arọ, nke akwụghị ọtọ |
| Afọ ịsa: | Ọnọdụ afọ ime mmadụ pịrị pịrị ma ọ bụ ịga mposi ugboro ugboro |
| Afọ ịrụ: | Oge afọ na-agbagharị ma ọ bụ egbu mmadụ nnukwu mgbu. |
| Afọ ịcha ọkụ: | Inwe afọ nsogbu nke anaghị ekwe mmadụ ńụrụ mmiri tọgbọ iko. |
| Afọ ime: | Ọnọdụ ibu nwa ọhụrụ n'ime afọ ruo ọnwa itoolu. |
| Ukwu enyi/aka: | Nwaanyị ịnọ ogologo oge tupu ọ tụta ime ma ọ bụ mụọ nwa. |
| Eriri afọ tụghiere atụhie: | Nke a bụ oge eriri afọ gwọkọrọ agwọkọ n'ime afọ, nke na-ebute afọ igbu mgbu. |
| Ịnọdụ ala (otule): | Iji akụkụ ahụ a bụ otule nọdụ ala n'oche |
| Ihu igbarụ: | O gosiri obi adịghị mma ma ọ bụ mgbe iwe na-ewe mmadụ n'ihe dị ańaa dakwasara ya |
| Ihu ịjọ njọ: | Ọnọdụ a na-egosikwa mwute, iwe ma ọ bụ iru uju. |
| Ntị igbu: | Ọ bụ ọrịa ntị na-afụ ụfụ. |
| Ịgụsịsị imi: | A na-agụsịsị imi oge mmadụ nwere azụzụ. |

| | |
|---|---|
| Ịma uzere: | A na-eji imi ama uzere tụmadị oge mmadụ nwere azụzụ ma ọ bụ kuru ntụ |
| Ehe ịpụta: | Ehe na-apụta ozigbo nwaanyị mụchara nwa. |
| Nwa nọgidere n'ehe: | Ọ bụ oge nwa hapụrụ ebe ọ na-anọ, gaa nọgide n'ehe nwaanyị. |
| Anya ịkpọ: | Anya na-akpọ oge mmadụ nwere otu ọrịa anya ma ọ bụ nke ọzọ. |
| Anya ịpịa: | Anya imechi n'ihi ọrịa anya |
| Anya ịgọ; | Asagheghi ma ọ bụ mepee anya ọfụma |
| Ịkpụ ara: | Ntopụta ara n'obi nwaagbọghọ |
| Ara ịda: | Nke a bụ oge ara nwaanyị dara ada n'ihi inye nwa ara ma ọ bụ ihe ndị ọzọ. |
| Ara ịgbaka: | Mgbe mmiri ara nwaanyị mebiri emebi, nke adịghịzi mma iji zụọ nwa |
| Ara ịgba: | Ara nwaanyị na-agbapụta mmiri ara ozigbo ọ mụchara nwa ọhụrụ. |
| Olu ịjọ njọ: | E nweghị ezigbo olu e ji ekwu okwu ma ọ bụ ekwe ukwe |
| Olu ịza: | Nke a bụ ọrịa na-egbu mgbu ma mee olu ka ọ fụjuo afọjuo. |
| Olu ịrọ: | Ịtụfe olu azụ ma ọ bụ n'akụkụ ogologo oge na-eme ka olu rọọ mmadụ. |
| Olu ịgbacha: | Olu na-agbacha mmadụ oge olu gụchara onye ahụ. |
| Obi ịmapụ: | Nke a bụ mgbe ihe ike mere mmadụ. |
| Obi ikoropụ: | Ịnọ n'ọnọdụ ihe mgbu ma ọ bụ enweghị olile anya |
| Obi ịgbawa: | Ịnọ n'ọnọdụ ihe mgbu, ụfụ, iwe na ọnụma ma ọ bụ ọdachi dị aṅaa |
| Obi iti eti: | Obi nwere ike iti eti n'ihi ụjọ, ihe ike mere mmadụ ma ọ bụ ọrịa dị aṅaa. |
| Isi ịcha awọ: | Ntụtụ isi ịchaghari achaghari ma dịzie ọcha. |
| Isi ịwa: | Ọnọdụ enweghị ahụ ike |
| Ife isi: | Mmeghari isi site n'otu akụkụ ruo na nke ọzọ |
| Ikwe n'isi: | Mmeghari isi nke gosiri nkwenye ma ọ bụ nnabata |
| Ihihie isi: | Mmeghari isi zipụtara njụ ma ọ bụ ekwenyeghị |
| Isi gbaka/imebi: | Ọnọdụ na-egosi na ụbụbụ mmadụ ghasara aghasa ma ọ bụ mebiri emebi |
| Ọbara ịkpụkọ: | Ọbara na-akpụkọ ọnụ n'ihi otu nsogbu ọrịa ma ọ bụ nke ọzọ. |
| Ọbara ịgba: | Ọbara isi n'ahụ mmadụ na-agbapụta site n'ịdụ ya ntụtụ ma ọ bụ mmerụ ahụ. |
| Ọbara nwere shuga | Nke a bụ ọnọdụ shuga karịrị n'ọbara mmadụ. |

| | |
|---|---|
| Ọbara ịgbali elu: | Ọnọdụ enweghi ezigbo ahụ ike n'ihi na ọbara gbaliri elu karịa etu o kwesịrị ịdị |
| Ịkwafu ọbara: | Igbu ma ọ bụ ime ihe na-ebute ọnwụ mmadụ |
| Ịgbanye ọbara: | Nke a bụ ịgbanye onye ọrịa ọbara n'ahụ n'ihi enweghị ọbara iji zọpụta ndụ ya. |

Ntụcha niile e mere dị n'elu, zipụtara etu akụkụ ahụ na ngwaa si agakọ, ihe akụkụ ahụ na-eme na mpụtara ha.

**Ihe a na-eme akụkụ ahụ**

A na-eme akụkụ ahụ ọtụtụ ihe. E nwere akụkụ ahụ dị iche iche, ụfọdụ n'ime ha bụ ndị e ji ezi ozi ma ọ bụ akparịta ụbụbọ. Akụkụ ahụ ndị a na-enye aka nke ukwuu n'ihe gbasara mmekọrịta mmadụ na ibe ya; dị ka ịkụziri mmadụ ihe. Akụkụ ahụ ndị a nwere ụzọ dị iche iche e si eji ha ezi ozi ma ọ bụ kpaa nkata. E kewara akụkụ ahụ ndị a iji gosipụta ụzọ ma ọ bụ etu e si etinye ha n'ọrụ. Ịma atụ:

**Tebulu 2**

| **Akụkụ ahụ e ji eme njụ** | **Nkọwa** |
|---|---|
| **Isi**: fe isi | Ọ bụ usoro mmegharị isi iji gosipụta njụ ma ọ bụ ekwenyeghị n'ihe a na-eme/ekwu. |
| hihie isi | O gosiri ekwenyeghị ma ọ bụ njụ. |
| **Aka**: fe aka | Ife aka zipụtara enweghị mmasị ma ọ bụ nkwenye ọ bụla. |
| **Anya**: jụọ anya | A na-eji ịjụ anya enye mmadụ akara dị iche iche |

**Tebulu 3**

| **Akụkụ ahụ ndị e ji asị nnọọ ma ọ bụ eme nnabata** | **Nkọwa** |
|---|---|
| **Ihu -** ihu ọchị: | Iji ihu ọma anabata mmadụ, o nwere ike bụrụ onye ọbịa |
| **Isi -** ikwe n'isi: | Usoro ikele ekele, nkwenye ma ọ bụ nnabata |
| **Anya-** Ịsaghe anya: | A na-asaghe anya nke ọma iji gosipụta obi ụtọ e nwere n'ebe mmadụ nọ. |
| **Afọ –**imetụ afọ: | Ịmakụ mmadụ iji sị ya nnọọ ma ọ bụ zipụta nnabata, ekele dg. |
| **Aka:** nkonye aka | Nke a na-egosi ezi mmekọrịta, nnabata na ịdịnotu. |
| ife aka: | Usoro ikele ekele, ịsị nnọọ ma ọ bụ nnabata |

**Olu -** iweli olu elu: A na-eji iweli olu elu egosi nnabata, ekele dg.

**Tebulu 4:**

| Akụkụ ahụ ndị e ji egosi ahụ mgbu/ụfụ: | Nkọwa |
|---|---|
| **Ihu-**ịgbarụ ihu: | Ọnọdụ na-egosi obi adịghị mma ma ọ bụ igosi mwute |
| **Ọnụ -**ịtabi ọnụ: | Nke a bụ mmadụ ịtabi egbugbere ọnụ ya iji gosi ụfụ ma ọ bụ obi mgbawa. |
| **Anya-** imechitụ anya: | Ọ bụ usoro imechitụ (ịpachitụ) anya iji zipụta ihe ụfụ ma ọ bụ mgbu. |
| **ụkwụ-**ife ụkwụ: | Ọ na-ezipụta iwe na ọnụma. Ifeghari ụkwụ oge mmadụ nọ n'ihe mgbu maọbụ arịrị |
| **Aka-**ịhịa aka n'isi: | Oge ọ gbajuru dọrọ, ọtụtụ mmadụ na-ebido hịọwa aka n'isi ha iji gosi mgbagwoju anya. |

**Tebulu 5**

| Akụkụ ahụ ndị e ji egosi aghọtaghị: | Nkọwa |
|---|---|
| **Aka-**ife aka: | E nwere ike ife aka iji gosi mgbagwoju anya ma ọ bụ aghọtaghị. |
| ịsaghe aka: | O gosiri mgbagwoju anya. |
| **Olu:** | |
| ifeghari olu: | Mmeghari olu site n'otu akụkụ ruo na nke ọzọzipụtara na ihe edoghị mmadụ anya nke ọma. |
| **Anya:** | |
| ịchaghari anya: | Ọ bụ mmeghari mkpụrụ anya, nke gosiri na ihe a na-ekwu maka ya edochaghị anya |
| **Isi** | |
| ifufe isi: | Nke a gosiri aghọtaghị ma ọ bụ ekwenyeghị |
| **ọnụ** | |
| ighewe ọnụ oghe: | Ọnọdụ ihe mgbagwoju anya tụmadị mgbe e nwetara ozi mmadụ atụwaghị anya. |

**Tebulu 6**

| **Ndị e ji egosi Ịhụnanya** | **Nkọwa** |
|---|---|
| ile anya ọma: | O gosiri inwe mmasị na ịhụnanya n'ebe mmadụ nọ. |
| **Ihu** | |
| ihu ọchị: | Inwe ihu ọchị na-egosi onye nwere ezi obi, obi ọma na obi sara sara. |
| **ọnụ:** | |
| isusu ọnụ: | Nke a bụ usoro ndị hụrụ onwe ha n'anya ji enwe obi aṅụrị. |
| **Afọ/obi** | |
| imetụ afọ/obi: | Usoro ndị enyi, di na nwunye, ikwu na ibe si egosi na ha hụrụ onwe ha n'anya |
| **Aka** | |
| Ikonye aka: | Ndị hụrụ onwe ha n'anya na-ekonye ma ọ bụ kokọta aka ọnụ oge ha na-akparịta ụbụbọ, aga ije dg. |

**Tebulu 7**

| **Akụkụ ahụ e ji egosi akpọmasị:** | **Nkọwa** |
|---|---|
| **Anya:** | |
| ịrọ anya: | Ọ bụ usoro e si agwọgharị ma ọ bụ atụgharị mkpụrụ anya nke zipụtara ile anya ọjọọ, ịkpọ asị, iwe na ọnụma dg. |
| ịgbabi anya: | Ọ bụ usoro e si enye akara nzikọrịta ozi ma na-ejikwa ya egosipụta iwe na obi adịghị mma. |
| **Ihu:** | |
| iwepụ ihu: | O gosiri enweghị mmasị |
| **Azụ** | |
| ịdụnye azụ: | Nke a gosiri agwa ọgbasaghị m na enweghị mmasị n'ihe a na-eme. |
| **Imi:** | |
| ịkpọli imi elu: | O zipụtara omume nkọcha, ịkwa emo, ntaji anya dg. |

| Tebulu 8<br>Ndị e ji egosi nnọsa ahụ | Nkọwa |
|---|---|
| **Aka:** | |
| ịchịsa aka | Omume na-egosi mwụsa ahụ ya na ume na obi iru mmadụ ala |
| **ụkwụ:** | |
| ichili ụkwụ elu | Agwa na-egosi ebe ahụ sara mmadụ asa (ị nọsapụ ahụ) |
| **Afọ:** | |
| ịdọwa afọ | Nzipụta ebe obi ruru mmadụ ala ma ọ bụ ebe ọ nọsapụrụ ahụ. |

**Tebulu 9**

| Ndị e ji egosi iwe na ọnụma ma ọ bụ ihe mgbawa obi | Nkọwa |
|---|---|
| **Eze** | |
| ịta ikikiri eze: | Mgbe e mere mmadụ ihe mwute, ma ọ bụ ihe mgbawa obi, ọ na-ata ikikiri eze. |
| Ọnụ | |
| ịtabi ọnụ: | Ụdị omume a na-ezipụta ọnọdụ ọjọọ na ihe mgbu mmadụ na-agabiga. |
| ịmasuwe ọnụ: | O zipụtara iwe na ọnụma iju mmadụ obi. |
| **Anya** | |
| ịbọ anya ntọọọ: | Usoro ịṅụ onye nọ na nsogbu ọṅụ |
| anya ịcharụ acharụ: | Anya ncharụ nwere ike gosi onye nọ n'ihe mgbu, ụfụ dg. |
| **Aka** | |
| ịdụnye aka n'agba: | Ọ na-egosi ọnọdụ iche oke echiche n'ihi nsogbu ụwa. |
| **ụkwụ** | |
| Ife ụkwụ: | A na-efe ụkwụ mgbe ọ gbajuru dọrọ mmadụ (ọnọdụ ọjọọ) |
| **Ihu** | |
| ịgbarụ ihu: | Nke a gosiri na obi adịghị mmadụ mma n'ụfọdụ ihe dị aṅaa. |
| **Ahụ** | |
| ahụ ịjụ oyi: | Ụfọdụ ọnọdụ ọjọọ, ihe mwute ma ọ bụ ihe isi ike na-eme ka ahụ jụọ mmadụ oyi. |

**Tebulu 10**

| Ndị e ji egosi obi ọcha | Nkọwa |
|---|---|
| **Aka:** | |
| ichili aka elu: | ọ na-egosi obi ọcha na onye aka ya dịkwa ọcha. |
| ịsa aka: | Nke a na-egosi onye ebughị ihe ọjọọ ọ bụla n'obi. |
| **Ikpere** | |
| igbu ikpere n'ala: | Omume na-ezipụta obi ọcha, aka ọcha na eziokwu |
| **Ihu:** | |
| ihu ọchị | Ihu ọchị na-egosi obi sara sara na obi ọma. |

**Tebulu 11**

| Ndị e ji egosi orubere | Nkọwa |
|---|---|
| **Anya** | |
| ịjụ anya | A na-eji ịjụ anya agwa okwuu ka ọ kwụsị ma nyefee onye ọzọ ohere okwu. |
| **Aka** | |
| ịrụli mkpịsị aka elu: | O zipụtara ịchọ ohere ikwu okwu, ntụnye aro na nkwupụta uche obi onwe. |
| **ọnụ** | |
| iji aka mechie ọnụ: | Nke a bụ akara na-egosi mmadụ ka o mechie ọnụ ma nye onye ọzọ ohere ka o tinye ọnụ n'okwu. |

**Tebulu 12**

| Akụkụ ahụ e ji egosi ihere | Nkọwa |
|---|---|
| **Ihu**<br>Ikpudo ihu n'ala | Ọ bụ otu ụzọ e si ezipụta ihere, mmeri ma ọ bụ ọdịda n'ihe dị iche iche |
| **Anya:**<br>iji aka mechie anya: | Omume a na-eme oge e meriri mmadụ, imechi anya na-egbochi nlekọrịta anya ma ọ bụ ihere. |
| **Aka**<br>Iji aka ese ihe n'ala ma ọ bụ ịdọka mpe mpe akwụkwọ. | Usoro a na-egosi ihere, ise ihe n'ala ma ọ bụ ịdọkasị mpe mpe akwụkwọ na-enyere onye ahụ aka ịgbalahị ihere |
| **ụkwụ**<br>imegharị ụkwụ: | Usoro nzipụta ihere naenweghị ọnụ okwu nke na-eme onye ahụ ka ọ na-efegharị ụkwụ. |

**Nchọpụta nchọcha**

Nchọpụta e nwetere gosiri na ngwaa na-ahọ akụkụ ahụ n'ụtọasụsụ Igbo. Nchọcha a kọwapụtara n'ujuna e nwere ngwaa akụkụ ahụ ọ bụla na-ahọrọ n'ịkọwa ọdịmara ha. Akụkụ ahụ ọ bụla nwere ngwaa nke ha na ya na-agakọ. Ngwaa ọ na-ahọrọ gbadoro ụkwụ n'irighiri echiche o nwere nke ya na mkpụrụ echiche dị n'akụkụ ahụ ga-eyiriṛị.

A chọpụtara ngwaa ndị na-akọwa ọnọdụ ahụ mmadụ ma ọ bụ ihe akụkụ ahụ na-eme n'enweghị mmanye ọ bụla. Ịma atụ: ahụ ịnwụ, ụkwụ ịrụ, afọ ịsa, eriri afọ ịtụghị, ihu ịgbarụ, ịma uzere, anya ịkpọ, dg.

Ọzọkwa, e nwere ihe a na-eme akụkụ ahụ. Ụfọdụ n'ime akụkụ ndị a na-enye aka nke ukwuu n'ihe gbasara mmekọrịta mmadụ na ibe ya, dị ka ịkụziri mmadụ ihe, ịkparịta ụbụbọ ma ọ bụ izi ozi. Ọmụma atụ: Akụkụ ahụ e ji eme njụ: fe isi, fe aka, jụọ anya. Ndị e ji asị nnọọ ma ọ bụ egosi nnabata bụ: ikwe n'isi, imetụ afọ, ikonye aka. Ndị e ji egosi ahụ mgbu maọbụ ụfụ bụ: ịgbarụ ihu, ịtabi ọnụ, ife ụkwụ, ịhịa aka n'isi. Ndị e ji egosi aghọtaghị gụnyere: ife ma ọ bụ ịsaghe aka, ifeghari olu, ịchaghari anya, ighewe ọnụ oghe. Ndị e ji egosi akpọmasị bụ: ịgbabi anya, iwepụ ihu, ịkpọli imi elu, dg.

**Mmechi**

Akụkụ ahụ na ngwaa na-agakọ site n'ụzọ dị iche iche. Akụkụ ahụ nwere ọtụtụ ihe ndị ọ na-eme na ndụ mmadụ n'enweghị mmanye ọ bụla. Ụdị ọnọdụ ndị a na-abịara onwe ya. Ọzọkwa, e nwere ihe ndị a na-eme akụkụ ahụ iji zipụta ngakọ ya na ngwaa. E nwere ike ife aka, isi na ụkwụ efe. Ngwaa a bụ 'fe' na akụkụ ahụ ndị a bụ isi, aka na ụkwụ na-agakọrịta; n'ihi na ha nwere njibi ma na-emegharị emegharị. Anya họrọ 'rọ' n'ihi na a na-arọgharị ya arọgharị.E nweghị ike ịsị 'rọ' imi, afọ ma ọ bụ obi; n'ihi na ngwaa a bụ 'rọ' na akụkụ ahụ ndị a (imi, afọ na obi) anaghị agakọrịta.

**Edensibịa**


Bussmann, H. (1996). *Routledge dictionary and linguistics.* New York: Routledge.

Dimebo, I.N. & Nna, I.F. (2019). "Akụkụ ahụ dị ka mbụrụ nsinuche n'asụsụ Igbo. *Odezuruigbo Journal Vọl. 3. No. 1.*

Ekman, P. & Friesen, W. (1996). *The repertoire of non-verbal behavour categories, origins, usage and coding.* Sernotica: MIT.

Emenanjo, E.N. (1991). *Nchịkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo izugbe.* Lagos: Longman Publishers.

Emenanjo, E.N. (2006). *Language and communication: Myths, facts and features*. Aba: E. frontier Publishers.

Ezeụmụdo, R.A. (1985). *Nchịkọta ọmụmụ asụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz & Manilas

Kenechukwu, S.A. (2012). The place of non-verbal aspects of interpersonal communication, in human relations. Na J.A. Aliede (ọhz.). *Today's readings in mass communication, issues, insights and perspectives*. Ihu 348-353. Lagos: National open University of Nigeria press.

Matthews, P.H. (2007). *Oxford concise dictionary of linguistics.* New York: Oxford University Press.

Mgbemena, A.U. (2009). *Ntọala usoroasụsụ Igbo*. Obosi: Pacific publishers.

Nwachukwu, P.A. (1983). *Readings on the Igbo verb*. Onitsha: African FEP.

Nwaozuzu, G.I. (2006). *Dialects of Igbo language*. Nsukka: University of Nigeria press.

Tomori, S.H. (1977). *The morphology and syntaụ of present-day English: An introduction*. Ibadan: Heinemann educational books.

Ume, I.A.O. Ugoji, J.U. & Dike, G.A. (1989). *Ụmị nkọwa ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz &Manilas Publishers.